# Ọrịa Sickle Cell

Ụdị nke Naịjirịa

Ulo akwukwo primari

**Ahụike na Nchekwa**

Ulo akwukwo sekondri

## Amụma Ntụziaka nke Ụlọ akwụkwọ

Ọrụ a nwetara ikike n’okpuru nke Creative Commons. Ewezuga njirimara nke ERSC dị n’ibe akwụkwọ ikpeazụ, enwere ike jiri ya ma ọ bụ kesaa ya n’efu ma ịkpọpụta aha onye dere ya mbụ. Enwere ike ịmegharị ya maka ijikwa ya ọzọ, ma ọ bụrụ na-ekeghachiri azụ ọrụ ejiri ya mee n’ogige ndị ọrịa sickle cell site na ịnye akwụkwọ ndị emegharịrị na arụmarụ Sickle Cell Open: Online Topics and Education Resources (SCOOTER) na www.sicklecellanaemia.org.

Gbasitara: CC-BY-SA, Simon Dyson, echekwara ụfọdụ ikikere
Simon Dyson
Unit for the Social Study of Thalassaemia and Sickle Cell,
De Montfort University,
Leicester, United Kingdom
sdyson@dmu.ac.uk

Ọ ga-amasị anyị ịkele ndị a maka ịmepụta amụma ntụziaka nke ụlọ akwụkwọ nke ụdị Naịjirịa:

• Bola Ojo,
• Naomi Maiguwa,
• Jonah Lah
• Dr Baba Inusa
• Comfort Okolo
• Elizabeth Anionwu

Ọ ga-amasị anyị ịkele ndị a maka nyocha pụrụ iche nke ndepụta izizi nke UK maka amụma ntụziaka a:

• Ọkachamara Elizabeth Anionwu, CBE, Emeritus Ọkachamara nke mmụta nlekọta ndị ọrịa, Mahadum nke West London.
• Suzi Crawford, Onye Na-enye Ndụmọdụ Ọpụrụiche Na Nlekọta Ndị Ọrịa, Soho Health Centre, Birmingham.
• Dr Paul Telfer, Onye Isi Nkuzi na Haematology na Queen Mary, Mahadum nke London, yana Onye Haematology Nkwanye Ugwu na St Bartholomew yana Royal London NHS Trusts.

**Ahụike na Nchekwa na Ụlọ akwụkwọ**
Emepụtara akwụkwọ a dabere na nyocha emere iji nyochaa ahụmịhe ndị na-eto eto nwere ọrịa sickel cell n'ụlọ akwụkwọ. Otu akụkụ dị mkpa maka nsonye ụlọ akwụkwọ bụ ịhụ mkpa ọ dị ịlekọta ndị na-eto eto nwere ọrịa nọtegoro aka, ọkacha ebe ọ bụ na a na-ejikarị ọtụtụ oge ntolite aga ụlọ akwụkwọ. Amụma Ntuziaka Ahụike nke Naịjirịa nke Nọvemba 2006 kpọrọ oku maka ịnwe akụrụngwa na mmemme zuru oke nke na-akwalite ịdị mma ahụ, ọgụgụ isi, nchekwa yana mmekọrịta ọhaneze nke ụdị ụmụaka ụlọ akwụkwọ niile.

**Gịnị bụ Ọrịa Sickle Cell (SCD)?**
Ọrịa Sickle cell (SCD) bụ mkpokọta aha maka usoro ọnọdụ ekereụwa dị egwu nke nwere ike ịmetụta ngwa ime ahụ nke ahụ niile. Ọ bụ otu n'ime ọnọdụ jenetịkị dịkarịrị n'ụwa na emetụta ihe dị ka 1 n'ime 50 nke nwa ọ bụla amụrụ na Naịjirịa[1]. A na-ejikọkarị ọrịa sickle cell ndị a n'oge oke mgbu akpọrọ ọdụdọ mgbu sickle cell. Ndị mmadụ nwere ọrịa sickle cell nwere ụdị haemoglobin (akpọrọ haemoglobin S (HbS) ma ọ bụ haemoglobin nkọ) nke pụrụ iche na haemoglobin okenye dị mma (haemoglobin A ma ọ bụ HbA). Nke a nwere ike ibute ka red blood cell gbanwee ụdịdị ya wee gbaa ọkpụrụkpụ n'ime ọwara n'ebu ọbara, na-ebute oke ihe mgbu. Ọ nwere ike ịmetụta ọtụtụ ngwa ime ahụ dị n'ahụ nke pụtara na ngwa ahụ mmadụ dị mkpa dị iche iche nwere ike imebie yana ọtụtụ mgbanwe dị iche iche nwere ike ịme n'akụkụ ahụ dị iche iche. Ụdị ọrịa sickle cell kachasị bụ sickle cell anaemia, ọrịa haemoglobin SC yana sickle beta-thalassaemia.
[1] *World Health Organization* (2006) *Sickle Cell Anaemia*. WHO Fifty-Ninth World Assembly A59/9, Geneva

**Kedu ka a ga-esi gbochie mgbanwe nke ọrịa sickle cell (SCD)?**
Achọpụtala ụfọdụ ihe nwere ike ịkpalite mgbu ọdụdọ sickle cell. Ndị a gụnyere ofufe ọrịa, oyi yana/ma ọ bụ ebe dere mmiri, mmetọ, akpịrị ịkpọ nkụ, ịgbalị mgbalị siri ike, ahụ mgbakasị, mgbanwe n'ike na ọnọdụ okpomọkụ/ajụmoyi, mmanya na-egbu egbu, kafịn, yana ịse anwụrụ. Ndụmọdụ ndị nwere ọrịa sickle cell maka igbochi ọdụdọ gụnyere ịkpachapụrụ ihe niile anya wee megide ịba, na-enwe okpomọkụ, iri nri na-edozi ahụ, na-eme mgbatị ahụ agafeghị oke, ị□ụ oke mmiri, ịchọ ndụmọdụ ahụike ma ọ bụrụ na ha nwee ahụ ikpo ọkụ, nwee ahụ na-adịchaghị mma, nwee oke ike ọgwụgwụ yana nọrọ na mgbu. Zenarị ịse anwụrụ yana mmanya na-egbu egbu, na-a□ụchi ọgwụ anya (gụnyere ọgwụ mgbochi ịba) yana ịgba ọgwụ mgbochi, wee gbaa mbọ belata ahụ mgbakasị.

**Ihe Mgbochi iji kwado ndị nwere SCD**
Ebe ọ bụ na ndị nwere SCD enweghị ike ịrụ ọrụ aka siri ike, ọ dị oke mkpa na ha natara ezigbo mmụta, nlekọta ahụike na mmekọrịta ọhaneze yana ndụmọdụ ọrụ tọrọ atọ.

***Abịaghị ụlọ akwụkwọ***: Ọ bụrụ na ụlọ akwụkwọ/kọleji enweghị ezi nkwado siri ike maka ọrịa sickle cell iji belata abịaghị ụlọ akwụkwọ, ya mere na nyocha atụpụtala alo na nwata akwụkwọ ọ bụla nwere SCD nwere ike ọ gaghị abịa akwụkwọ ọtụtụ izu n'ime afọ agụmakwụkwọ, ọtụtụ oge nnọpụ n'ụlọ akwụkwọ nke ụbọchị 2-3 n'otu oge. Ọtụtụ ụmụ akwụkwọ nwere SCD anaghị enweta nkwado site na ụlọ akwụkwọ maka ịchụkwudo abịaghị akwụkwọ ndị a. Ụdị ụmụ akwụkwọ ndị a nwere oke ọnụọgụ ịgha akwụkwọ na-enwekarị ihe egwu emeghị nke ọma n'ụlọ akwụkwọ. Obere n'ime ha nwere ike ịnwe oke ọnụọgụ ịgha akwụkwọ. Ọ dị mkpa ka aghara ịkpọ ụmụ akwụkwọ ndị a aha dị ka onye ngagharị. Ndị nne na nna, ụmụ akwụkwọ ndị ọzọ na ogbe gbaa gburugburu kwesịrị ka akwado ha site na ịhụta iga ụlọ akwụkwọ dị ka ihe nkịtị maka nwata nwere SCD na-eto eto na-eme. Mmụta bụ ọzụzụ n'ọdịnihu nke ụmụaka na-eto eto nwere SCD.

**Ezigbo Omume: Abịaghị Ụlọ akwụkwọ**

Otu ụlọ akwụkwọ nwere amụma oge nchụkwudo ma ụlọ akwụkwọ gachaa kwa mgbede. Ndị nkuzi na ewere oge iji nọrọ n'ọdụ mmụta a, iji nyere ụmụ akwụkwọ nke ghara nkuzi maka ihi ihe ọ bụla aka ịchụkwudo n'ihu ndị nkuzi . Nke a anaghị enyere nwata nwere ọrịa sickle cell aka naanị ịchụkwudo, mana ọ na-eme nke a na-adọtaghị anya ebe ha na nọ dị ka ụmụ akwụkwọ pụrụ iche na ndị ọzọ.

**Ezigbo Omume: Emume Nkwado Otu Ọgbọ**

Otu ezigbo amụma ọzọ bụ itinye n'ọrụ emume nkuzi otu ọgbọ ebe ndị na-amụ ihe, karịchara ndị na-eto eto nwere SCD ndị ghara nkuzi, na-amụ ihe site n'aka ndị otu ọgbọ ha na ụlọ akwụkwọ ma klaasị gachaa. Ụfọdụ ụlọ akwụkwọ na Naijirịa amalitela Emume Nkuzi Ụmụ Akwụkwọ, Ịnye Ntuziaka yana Ndụmọdụ, ebe a na-ahụ maka mkpa ụmụaka n'otu n'otu n'ime ụlọ akwụkwọ, iji mee ka ndị na-amụ ihe nọzie nke ọma, bịa ma mezie arụmọrụ ha na ụlọ akwụkwọ. Ụmụaka anyị ndị nwere SCD nwekarịrị ike ịchụkwudo nkuzi ndị ha abịaghị site n'aka ndị ọgbọ bụ enyi ha. Cheta na ndị na-eto eto nwere SCD na-adị mma ọtụtụ oge yabụ na ha nwere ike bụrụ ndị na-enye ndị na-eto eto ndị ọzọ nkwado ọgbọ, ndị nwere ike ghara ịbịa ụlọ akwụkwọ n'ihi ihe ndị ọzọ na-abụghị gbasara ọrịa sickle cell. Nke a na-akuzi nkuzi dị mkpa na ndị na-eto eto nwere SCD nwere ike bụrụ ndị na-enye nlekọta na nkwado ma bụrụkwa ndị na-anata nlekọta na nkwado.

***Mmiri***: Ndị na-eto eto nwere SCD kwesịrị ka mmiri dị n'ahụ ha nke ọma iji belata mbute ahụ ọrịa. Nwee mmiri ọ□ụ□ụ dị ọcha kwa mgbe. Na-enye ha ohere ị□ụ mmiri na klaasị. N'ụlọ akwụkwọ ụfọdụ, klaasị ọ bụla na-enwe gbomgbom plastiki, yana iko nkuputa, nwata akwụkwọ ọ bụla nwere ohere ibute iko mmiri ọ□ụ□ụ nke ha na klaasị. Amụma oriri na ọ□ụ□ụ na ụlọ akwụkwọ kwesịrị ka ọ bụrụ na ụmụaka ndị nwere SCD nwere ohere ibubata mmiri ha n'ime klaasị mgbe achọrọ. Gbaa mbọ hụ na edobere ọdọ mmiri mgbapụta ọ bụla na-arụ ọrụ n'ọkwa ịdị ọcha kachasị, ka ndị na-eto eto nwere SCD ghara ịsọ oyi iji ya yana ma belata ihe egwu ibute ofufe ọrịa.

***Ịga Ụlọ Mposi***: Ndị mmadụ nwere SCD anaghị enwe ike nyụpụta mmamịrị ozugbo dị ka ndị ọzọ. Ha na-emepụta nnukwu mmamịrị belatara ebelata nke mere na ha na-aga ụlọ mposi kwa mgbe. Ejikpala oge ije mposi.

**Ezigbo Omume: Ịga Ụlọ Mposi**

Otu ụlọ akwụkwọ amalitela sistemụ ịnye onye na-eto eto kaadị na-akọwa na-enyere onye ahụ ikike ịpụ oge nkuzi iji gaa ụlọ mposi.

***Ike Ọgwụgwụ:*** Onye nwere SCD nwere ike ịnwe oke anaemia. Nke a pụtara na ha nwere ike ịnwe ike ọgwụgwụ, ajụ yana enweghị ike itinye uche. Ha nwere ike na-enwe ike ọgwụgwụ nke na ha ga-achọ ịrahụ ụra. Ọ dị mkpa ka onye nkuzi ghara ịghọtaghie mgbanwe ahụike nke SCD a dị ukwuu dị ka ume ngwu. Ịgbago elu akwa mgbago elu ọtụtụ oge n'ime ụbọchị iji ruo yana site na klaasị bụ ihe nhịahụ maka ụfọdụ ndị na-eto eto nwere SCD.

***Ọnya Ụkwụ:*** Ụfọdụ ndị na-eto eto nwere SCD nwere ike ịnwe ọnya ụkwụ na-egbu mgbu na-alaghachite kwa mgbe, ọtụtụ mgbe n'akụkụ nkwokwo ụkwụ, nke na-eji nwayọ ala. Ịga ije nwere ike na-egbu mgbu ma na-eme ọnya ahụ ka ọ dị njọ karịa. Ụlọ akwụkwọ kwesịrị ịgba mbọ hụ na emeziri okirikiri niile iji kwado ndị na-eto eto nke nwere ọnya ụkwụ.

**Ezigbo Omume: Ụlọ Akwụkwọ**

Ọwụwụ ụlọ akwụkwọ na ụdịdị ya izizi kwesịrị ka etinye alo sitere na ndị niile dị mkpa nwere oke mana gụnyere ndị na-amụ ihe nwere SCD na ndị ezinụlọ ha. Ụdịdị kacha mma kwesịrị ịtụle ihe ndị a niile:

- Nnweta: Ọnọdụ nke na-ebuli ịwụ ụlọ elu toro eto AGAGHỊ abụ ihe elele dịịrị ụmụ akwụkwọ na-eto eto nwere SCD ndị nwere ike nwee ike ọgwụgwụ site na anaemia ma ọ bụ nwee ihe mgbu sitere na ọnya ụkwụ.
- Oghere: Oghere ewepụtara dị iche, na klaasị, kwesịrị ịdị ka ndị na-eto eto nwere SCD nwee ike wepụta oge zuo ike mgbe ahụ adịchaghị ha, ikekwa nyere ha aka ịlaghachi klaasị ma emechaa. Ime ụlọ ahụ kwesịrị ịbụkwa ebe a na-echekwa ọgwụ yana ọgwụ nbelata ahụ mgbu ha ma nyekwa ha ya mgbe ha chọrọ.
- Njikwa ịdị ọcha na ofufe ọrịa: ekwesịrị ibu ndị na-eto eto nwere ihe nchekwa ahụ gbadara agbada n'uche wee họpụta ihe ụlọ skuul yana ihu ime ụlọ dịka ụmụ akwụkwọ nwere SCD, ma kwesịrị itinye n'uche ịdị mfe nhicha yana njikwa ya.
- Ụlọ mposi niile dịkọrọ ọnụ ka ọ bụrụ obere ije ụkwụ ruo ụlọ mposi maka ndị na-eto eto nwere SCD.

***Ịme Mgbatị Ahụ***: Zenarị mgbatị ahụ siri ike gụnyere ịgbalị mgbalị siri ike nke nwere ike ịkpali ọdụdọ sickle cell. Kwado mgbatị ahụ na-agafeghị oke. Gee ndị na-eto eto ntị ndị nke maara oke ọrụ ahụ ha na-anabata. Maka SCD, ajụna arịrịọ ma ọ bụrụ na onye na-eto eto rịọ ka ahapụ ya ma ọ bụ kwụsị ọrụ n'ihi ike ọgwụgwụ ma ọ bụ mgbu. Maka ụmụaka nwere SCD, oyi ma ọ bụ ọnọdụ ihu igwe dị mmiri mmiri, ma ọ bụ ikpughe anụ ahụ n'ikuku oyi nwere ike bụrụ ihe niile na-akpalite nrịanrịa a. Ọ dị mkpa ịge nwata ahụ ntị yana nne na nna, wee soro ndụmọdụ nke sitere n'aka onye ọkachamara ahụike ha.

**Ezigbo Omume: Ịba**
Ndị na-eto eto nwere SCD na-anwụkarị ngwangwa site na ịba. Otu ụlọ akwụkwọ ahaziela ka ejiri ntofo awụnta kpuchie mpio/ụzọ mbata klaasị niile. Maka ụlọ akwụkwọ niile, tụlee ụdị ncha nke abịanyere DEET. Ụmụaka niile nke nwere SCD kwesịrị ka enye ha ọgwụ mgbochi ịba na-efu. Kwado ndị na-arụ na ụlọ akwụkwọ, ụmụ akwụkwọ na ndị nne na nna ịme mkpocha okirikiri tupu oge mmiri ozuzo iji belata ebe awụnta na-amụba n'akụkụ gbara ụlọ akwụkwọ okirikiri. Ụdị ọrụ ndị a na-emegide ịba na-enyere ndị na-eto eto nwere SCD aka ma na-enyekwara ụmụaka ndị ọzọ nwere ike bute ya ngwangwa aka, n'ọkwa dị iche iche, ibute ma daa n'oke ịba.

***Ofufe Ọrịa:*** Ndị na-eto eto nwere SCD nwere ike ịnwe mgbilu mere mmebi ma ọ bụ n'adịghị (ngwa ahụ nke na-enyere aka alụso ofufe ọrịa ọgụ) nke mere na ha na-ebute ofufe ọrịa ngwangwa. Kwado ebe nchekwa dị mma yana ịnye ọgwụ mgbochi edere maka onye na-eto eto nwere ọrịa sickle cell.

**Ezigbo Omume: ỌNỌDỤ OKPOMỌKỤ/AJỤMOYI**
Ndị na-eto eto nwere SCD nwere ike daa n'ọrịa ma ọ bụrụ na ha dị oke ọkụ ma ọ bụ oke oyi. Mgbe oyi dị, hapụ ka eyiri akwa na-enye okpomọkụ na klaasị. Ekwesịghị ịme ha ka ha pụọ ezi n'oge izu ike mgbe mmiri na-ezo, oyi ma ọ bụ ikuku na-eku. Ndị ọrụ na-echekwa oge izu ike, dị ka ndị na-enyere aka ma ọ bụ ndị ọrụ nri abalị, kwesịrị ka enye ha ntụziaka ka ha ghara ịmanye nke a n'ọrụ. Ndị otu nke Kọmitii Njikwa Ụlọ akwụkwọ kwesịrị ka ha na ndị nne na nna rụkọọ ọrụ iji kwekọrịta ụdị uwe ụlọ akwụkwọ ma ọ bụ amụma ga-akwado ndị na-eto eto nwere SCD iyi akwa dabara n'oge dabara n'ime afọ. Ọzọkwa, n'oke ihu igwe, okpomọkụ ma ọ bụ oyi, oge mmechi ụlọ akwụkwọ yana mmeghe kwesịrị ka enyocha ya dabere n'oge anọ. Ọ dị mkpa ịzenarị ịkpa mkpa/njuputa klaasị dị ka ụfọdụ ụlọ akwụkwọ nwebigara ọnụọgụ oke, nke mere ejiri ejife ihe ọrụ oke. Njuputa mmadụ nwere ike ibute enweghị ikuku n'okirikiri klaasị, okpomọkụ, yana ọ nwere ike ibute nbelata na nkuru oxygen wee gaa n'ihu tinye ahụike ndị na-eto eto nwere SCD n'ihe egwu. Onye nwere SCD kwesịrị ka ewezuga ya na ntụ oyi ebe ikuku oyi ha na-emepụta nwere ike ịkpalite ọdụdọ sickle cell.

***Atụmatụ Nlekọta Ahụike Otu Onye:*** Ụmụaka niile nwere SCD kwesịrị ịnwe atụmatụ nlekọta ahụike otu onye, nke ekwesịrị ị na-enyocha kwa afọ. Ebe ọ bụ na SCD nwere ọtụtụ nsogbu na-emetụta ọtụtụ sistemụ ahụ, ọ dị mkpa, ebe enwere ike, ka etinye onye ọrụ ahụike ọpụrụiche maka sickle cell na ịmepụta atụmatụ a. Akụrụngwa ndị ọzọ nwere ike ịgụnye mpaghara Otu Sickle Cell.

**Ezigbo Omume: Atụmatụ Nlekọta Ahụike Otu Onye**
Ndị na-eto eto niile nwere ọnọdụ ahụike na ụlọ akwụkwọ kwesịrị ịnwe atụmatụ nlekọta ahụike otu onye. Ekwesịrị ịwepụta onye ọrụ ahụike ụlọ akwụkwọ nwere ezigbo nghọta nke SCD na ọrịa ndị ọzọ siri ike. Ekwesịrị ka ndị Kọmitii Ahụike Ụlọ akwụkwọ wepụta atụmatụ ahụike ụlọ akwụkwọ nke a ga-edepụta nke ọma ka esiri abụ onye otu a n'ime Atụmatụ Ahụike Ụlọ Akwụkwọ. Atụmatụ nlekọta ahụike otu onye kwesịrị ka etinye alo ndị nne na nna yana onye ahụ na-eto eto na ịmepụta ya. Atụmatụ a bụ maka otu onye mana ọ kwesịrị ikpuchi: ụzọ mgbochi iji dobe nwata ahụ nke ọma na ụlọ akwụkwọ; usoro maka ịnye nwata ahụ ọgwụ mgbu; ihe pụtara mberede na ihe a ga-eme; ndị mkpọtụrụ kacha mkpa, karịchara ndị na-ahụ maka ya (onye isi ọkachamara ahụike na-ahụ maka nwata ahụ); yana ndepụta ndị ọrụ ụlọ akwụkwọ niile (n'abụghị naanị ndị nkuzi) ndị gagoro nkwalite mmụta na SCD. Ọ kwesịrị ka ọ bụrụ na a na-enyocha atụmatụ a kwa afọ, wee lelee ya iji hụ na ndị ọrụ niile ahụ nke onye na-eto eto nwere ike izute n'oge agụmakwụkwọ ha, enwetala mmelite.

**Okwu ahụike na Ihe Mberede Ahụike maka Ọrịa Sickle Cell (SCD)**

***Ọrịa Obi:*** Akara ngosi gụnyere mgbu obi, ụkwara, nhịahụ iku ume, yana ahụ ikpo ọkụ. Ọ nwere ike na-egosi dị ka mgbanwe ahụ nke flu. N'agbanyeghị, ọ dị mkpa ịhụ onye na-ahụ maka ya ngwangwa.

***Ọdụdọ Aplastic :*** Nke a bụ mgbe ụmị ọkpụkpụ belatara ntakịrị oge ịmepụta red blood cell, nke na-abụkarị n'ihi ofufe ọrịa nwere nje a na-akpọ ParvovirusB19. Nke a na-ebute oke ọdịda ọnụọgụ red blood cell yana oke anaemia. Njirimara ya gụnyere oke nchanwụ yana ike ọgwụgwụ, na otiti obi ọsọsọ.

***Ahụ Ikpo Ọkụ:*** Ụmụaka nwere ọrịa sickle cell nwere ihe egwu karịrị maka ụfọdụ nje na-efe efe. Ahụ ikpo ọkụ nke 101° Fahrenheit (38° Celsius) ma ọ bụ karịa, nwere ike na-egosi ofufe ọrịa. Ekwesịrị ka onye na-ahụ maka ya (paediatric haematologist) hụ na-etufughi oge ịhụ ụmụaka nwere ọrịa sickle cell yana ahụ ikpo ọkụ.

***Ọrịa Aka-Ụkwụ*** (nke a na-akpọkwa dactylitis): Ọzịza na-egbu mgbu nke aka na ụkwụ, tinyere ahụ ikpo ọkụ. Ọ na-emekarị n'ụmụaka nọ n'okpuru afọ ise. Ọ dị mkpa na ndị ọrụ ụlọ akwụkwọ ọta-akara na ebe ndobe ụmụ ntakịrị matara nke a iji gbochie ebubo ụgha maka mmerụ ahụ na-abụghị ihe mberede.

***Ọdụdọ Oke Mgbu:*** Nke a nwere ike ịme n'akụkụ ahụ ọ bụla, nke oyi ma ọ bụ okpomọkụ, ofufe ọrịa ma ọ bụ akpịrị ịkpọ nkụ na-akpalite. Mgbu a nwere ike ịme aka elekere ole ma ole, ruo izu 2 ma ọ bụ karịa, ma ọ nwere ike mesie ike na nwata ahụ ga-achọ ịga ụlọ ọgwụ. Ọ dị mkpa ịge onye na-eto eto ntị nke maara ma mgbu ahụ ọ dị obere/agafebeghị oke ka ọ ga-aga agafere (ebe ụlọ akwụkwọ nwere ike kwalite nsonye ụlọ akwụkwọ site n'ịnye ikike ezumike yana nnabatagharị n'ime ụlọ akwụkwọ ma-emechaa n'ụbọchị ahụ) ma ọ bụ na ha chọrọ ịga ụlọ ọgwụ.

***Ọdụdọ Nkewapụ Mgbilu:*** Mgbilu ga-ebu ibu site na ịkpachi red blood cell dị n'ụdị nkọ. Nke a na-ebute ka obere cell na-akpagharị. Njirimara mbụ gụnyere nchanwụ, ike ọgwụgwụ, mgbilu buru ebu, yana afọ igbu mgbu. Ọ dị mkpa na ndị ọrụ ụlọ akwụkwọ ọta-akara na ebe ndobe ụmụ ntakịrị matara maka ihe a nwere ike igbu mmadụ, ebe ọ na-emekarị ụmụaka na-eto eto.

***Mkpọnwụ ahụ:*** Ihe egwu a dịkarịrị n'ụmụaka afọ 2-10. Mee usoro NGWANGWA a:

**Ihu Adịghị Ike: onye ahụ enwere ike ịchị ọchị, ka ọnụ ha ma ọ bụ anya ha ayọpụla?**

**Ogwe aka: onye na-eto eto ahụ enwere ike iweli ogwe aka ya abụọ elu gafee ogologo ubu ya?**

**Nsogbu okwu: onye ahụ enwere ike ikwu okwu nke ọma ma ghọta ihe i kwuru?**

**Oge: iji nweta enyemaka ahụike mberede.**

Ọ nwere ike ịdị nhịahụ ịkewa ndịiche mgbanwe mkpọnwụ ahụ na nke ọdụdọ sickle cell, ebe mgbu nwere ike ibute mgbochi mmegharị ahụ. Ụmụaka nwere SCD kwesịrị ịme nyocha Transcranial Doppler kwa afọ site n'afọ 2 iji nyochaa ihe egwu mkpọnwụ ahụ.

***Mkpọnwụ Ahụ Dị Nwayọ:*** Mgbanwe na akparamagwa ma ọ bụ itinye uche ma ọ bụ ịkawanye njọ n'ọrụ ụlọ akwụkwọ nke onye na-eto eto nwere ike bụrụ n'ihi ọtụtụ ihe. Ihe ruru ụzọ ise nke ndị na-eto eto nwere ọrịa sickle cell, mmebi n'obere akụkụ ụbụrụ nwere ike ịdapụta site na mgbochi mgbapụta ọbara. Ọ dị mkpa ka ndị nkuzi na ndị nne na nna kparịta maka mgbanwe akparamagwa ma ọ bụ mmejupụta mmụta ọ bụla nke nwere ike igosi na ụdị mmebi a na-eme. Ọ dị mkpa ịnyere ndị nne na nna aka ịkpọtụrụ n'ụlọ ọgwụ mpaghara iji nyochaa ma ụdị akparamagwa a bụ nke mkpọnwụ ahụ dị nwayọ butere.

***Priapism**:* Mgbatị amụ na-egbu mgbu nke achọghị, nke echiche gbasara mmekọrịta nwoke na nwanyị ebuteghị. Ekwesịrị ịchọ enyemaka ndị ahụike ngwangwa ma ọ bụrụ na ọ karịa aka elekere abụọ.

**Kedu ka mmadụ ga-esi enweta ọrịa sickle cell (SCD)?**

Ọrịa Sickle cell bụ ihe a na-ekete ekete, nke a na-ebufe n'ezinụlọ. Ha abụghị ọrịa na-efe efe nke na enweghị ike ibute dị ka ụkwara ma ọ bụ oyi. Ndị na-ebu Sickle cell bụ ndị a na-akpọ mgbe ụfọdụ dị ka ndị nwere nrịbama sickle cell. Ndị na-ebu ya nwere gene dị mma yana nke emetụtara. N'ihe gbasara ndị bu sickle cell, red blood cell ha na-enwe haemoglobin dị mma (haemoglobin okenye, haemoglobin A) yana haemoglobin nkọ (haemoglobin S). Ndị na-ebu ya na-enwekarị ezigbo ahụike, ha nwere ike ha agaghị ama na ha nwere nrịbama sickle cell belụsọ ma ha emere nlele ọbara. Ọ bụrụ na mmadụ bu ya, ọgaghị aghọrọ ọrịa sickle cell. Ọmụmaatụ, ọ bụrụ na mmadụ abụọ ọmetụtara bu sickle cell (haemoglobin AS), nke a mere n'ime **otu afọ ime** enwere ohere otu n'ime ụzọ anọ na ha ga-enwe nwa nwere sickle-cell anaemia (haemoglobin SS, bụ ụdị ọrịa sickle cell); otu n'ime ụzọ anọ nwa nwere haemoglobin dị mma (haemoglobin AA), yana otu n'ime ụzọ abụọ nwa bu sickle cell (AS).

**Ezigbo Omume: Sickle Cell n'ime Usoro Ọmụmụ**

Otu ụzọ ịmepụta ntọala ụlọ akwụkwọ dị mma bụ ịme ka usoro ọmụmụ bụrụ ihe dị mkpa n'ebe ụmụ akwụkwọ nọ. Enwere ike ịme usoro nke ekereụwa genetịkị nke sickle cell ka ọ bụrụ isi akụkụ genetịkị nke usoro ọmụmụ sayensị. Otu Sickle Cell nke UK ewepụtala ntuziaka ka a ga-esi tinye sickle cell na ọkwa dị iche iche dị mkpa nke usoro ọmụmụ ụlọ akwụkwọ http://www.sicklecellsociety.org

***Mgbu:*** SCD bụ ọnọdụ enweghị ike ịma amụma ya, na-agbanwe n'oge yana n'etiti ndị dị iche iche. Nke a na-ebutere onye na-eto eto a amaghị ama. Ọdụdọ mgbu a nwere ike bịa ozugbo n'atụghị anya. Mgbu nwere ike ịme mmadụ obi ọjọọ, azaghị oku yana ekweghị ekwe. Mgbu ọdụdọ sickle cell nwere ike ịdị obere, agafeghị oke ma ọ bụ mesie ike. Ebe ọ bụ na mgbu bụ ihe na-emekarị ndị nwere SCD, ọ dị mkpa ka ụlọ akwụkwọ mepụta amụma iji kwado ụmụaka mgbe ha nọ na mgbu. Ekwesịrị ka emebere nwatakịrị ọ bụla atụmatụ nlekọta nke ya, nke onye nkuzi, onye nlekọta ndị ọrịa nke ụlọ akwụkwọ, ọpụrụiche onye nlekọta ọrịa sickle cell, nwatakịrị na nne na nna tinyere alo ha. Ọ dị mkpa na amụma ahụ tinyere ntụziaka gbasara ịnye ọgwụ mgbu (gụnyere onye ọ bụ ọrụ ya ịnye ya, ọgwụ mgbu nke ọ bụ yana otu esiri ekpebi nke a ga-enye).

***Ọgwụ***: Otu akụkụ dị mkpa nke Atụmatụ Nlekọta Otu Onye kwesịrị ịnwe nhazi maka ịnye ọgwụ, yana usoro ekwekọrịtara eji enyocha ogo nke mgbu ahụ. Ihe dị mkpa bụ ịge onye na-eto eto ahụ ntị. Ebe mgbu ahụ dị obere ma ọ bụ agafeghị oke, isi ebumnuche kwesịrị ka ọ bụrụ ịhapụ onye na-eto eto ahụ na ụlọ akwụkwọ, site na ijikọta ọgwụ mgbu site na iji ohere ezumike na oge nnọpụ n'okirikiri echekwara ka ọ ga-abụ emechaa ha alaghachi na nkuzi ma emechaa. Amụma mkpuchi ihe niile nke na-abụghị maka ịnye ọgwụ ma ọ bụ ịme ka ekpokọta onye na-eto eto dị ka ndapụta nke ịnye ọgwụ ọ bụla ga-amalite ugbu a bụrụ amụma nkewapụ maka onye na-eto eto ahụ nwere ọrịa sickle cell.

***Mmata Onye Nkuzi:*** Ekwesịrị ka eme ka ndị ọrụ niile mara maka sickle cell. Ụfọdụ ụlọ akwụkwọ na-eme nke a site n'iji nkwalite ọzụzụ maka ndị nkuzi. Ndị ọrụ kwesịrị ịmata ihe ha ga-eme ma ọ bụrụ na nwatakịrị nwee ọdụdọ na-egbu mgbu, ka-esi amata njirimara na mgbanwe nke mkpọnwụ ahụ na ndị na-eto eto nwere SCD, ma mụta ka-esi ege nwatakịrị ntị ma ọ bụrụ na nwatakịrị kwuo na ahụ adịchaghị ya. Gbaa mbọ hụ na enwere sistemụ na-arụ ọrụ maka izipu ozi a mgbe nwatakịrị ahụ nwere onye nkuzi na-enye ya, mgbe ha gbanwere klaasị ma ọ bụ mgbe ha gbanwere ụlọ akwụkwọ. Gbaa mbọ hụ na enwere ebe chekwara echekwa maka nwata akwụkwọ nwere SCD iji pụọ n'ọrụ ntakịrị oge. Ha nwere ike ịlaghachite na nkuzi ma emechaa n'ụbọchị.

***Ịkpa Oke Na-eche Aka Mgba***: Gbaa mbọ hụ na akparịtara SCD dị ka akụkụ Mmụta Nkeonwe, Ahụike yana Mmekọrịta Ọhaneze yana gbaa mbọ hụ na echere ụmụ akwụkwọ aka mgba n'echiche ịkpa oke ọ bụla.

**Okpokoro maka Atụmatụ Nlekọta Ahụike Otu Onye maka Onye nwere Ọrịa Sickle Cell**

| | |
|---|---|
| Aha:<br><br>Ụbọchị Ọmụmụ:<br><br>Ụlọ akwụkwọ:<br><br>Klaasị Ugbu a/Otu:<br><br>Ọnọdụ 1: Sickle Cell Anaemia (HbSS)<br>Ọnọdụ 2:<br>Ọnọdụ 3:<br><br>Ụbọchị Atụmatụ:<br><br>Nyochaa Kwa Afọ: | <br>Foto |
| **MKPỌTỤRỤ NNE NA NNA/ONYE NLEKỌTA/ONYE NCHEKWA**<br><br>**Aha Mkpọtụrụ:**<br>**Mmekọrịta:**<br>**Akara Mkpọtụrụ:**<br><br>**Aha Mkpọtụrụ:**<br>**Mmekọrịta:**<br>**Akara Mkpọtụrụ:** | **AKARA MKPỌTỤRỤ**<br><br>**Aha Mkpọtụrụ Ihe Mberede:**<br>**Akara Mkpọtụrụ Ihe Mberede:**<br><br>**Aha Ụlọ Ọgwụ (Haematologist):**<br>**Akara Ụlọ Ọgwụ Haematologist):**<br><br>**Aha Onye Nlekọta Ọrịa Ọpụrụiche:**<br>**Akara Onye Nlekọta Ọrịa Ọpụrụiche:** |
| **ONYE ISI ỌRỤ Ọ BỤ ỌRỤ YA NA ỤLỌ AKWỤKWỌ:**<br><br>Aha:<br>Ụlọ/Ngalaba:<br>Akara Mkpọtụrụ: | **DỌKỊNTA EZINỤLỌ**<br><br>**Aha Mkpọtụrụ:**<br>**Akara Mkpọtụrụ:** |
| **Ụbọchị Ụlọ Akwụkwọ Mere Nyocha Ihe Egwu Ahụike na Nchekwa:** | |
| **MGBOCHI:**<br><br>**Onye isi ọrụ iji gbaa mbọ hụ na onye ọrụ ụlọ akwụkwọ ọ bụla maara maka mkpa ọ dị isoro ụzọ mgbochi ndị a….**<br><br>*Ịnweta Mmiri ọ□ụ□ụ n'oge klaasị oge niile*<br><br>*Egbochighi ịga ụlọ mposi n'oge niile, tinyere n'oge klaasị*<br><br>*Ịme ihe mgbochi niile megide ịba*<br><br>*Akwanyela ha ịme mgbatị ahụ ma ọ bụrụ na ha kwuo n'ike gwụrụ ha ma ọ bụ na ha nọ na mgbu.* | |

**ỌGWỤ**

**Aha ọgwụ:**

**Ihe kpatara ị□ụ ọgwụ:**

**Ọnụọgụ ọgwụ:**

**Oge ị□ụ ọgwụ:**

**Ntụle Ndị Pụrụiche:**

**A ga-echekwa ịnụ Ọgwụ:**

**Nhazi maka Mbuga na Ụlọ akwụkwọ:**

**Nhazi Ndekọ Edeturu Edetu:**

**NJIKWA IHE MGBU**

Ebumnuche bụ ka enwee ịra nra dị n'etiti ịza ihe mberede ahụike nke ọma yana idobe okirikiri ụlọ akwụkwọ ebe anaghị achụla nwa akwụkwọ nwere ọrịa sickle cell ụlọ maka ngosipụta obere mgbu. Jụọ onye nlekọta ọrịa ọpụrụiche sickle cell ma ọ bụ onye ụlọ ọgwụ na-ahụ maka ya ma enwere ihe nlele mgbu dabara maka iji mee ka onye na-eto eto nwere sickle cell kwuo ka mgbu siri emesi ya ike. Enwere ihe nlele nke na-egosi onye na-eto eto ihu ihe eserese na-atọ ọchị site na ọ□ụ (enweghị ihe mgbu) ruo mwute yana akwa (kacha mgbu). Enwere ike tinye ụdị ihe nlele a na atụmatụ nlekọta ahụike otu onye. Ihe nlele nke a bụ maka naanị ọmụmaatụ, mana ihe nlele ọ bụla nke ejiri kwesịrị ịnwe ikike nke onye ụlọ ọgwụ na-ahụ maka onye na-eto eto ahụ (haematologist).

| 0 | 2 | 4 | 6 | 8 | 10 |
|---|---|---|---|---|---|
| | | | ✓ | | |
| Anọghị m n'ihe mgbu | Anọ m n'obere ihe mgbu mana achọghị m ọgwụ m | Ọ dị m ka ọ bụrụ na m □ụọ ọgwụ m, enwere m ike ịnọ na klaasị | Ọ dị m ka m kwesịrị ịnọpụ obere oge mana enwere m ike ịdịkwa mma ma emechaa | Ọ dị m ka m kwesịrị ịla ụlọ | Ọ dị m ka m kwesịrị iga ụlọ ọgwụ |

**MKPA /OKWU NDỊ ỌZỌ**

*Ngalaba a nwere ike ịnwe ozi gbasara naanị ọnọdụ onye na-eto eto ahụ (dịka ọmụmaatụ, ozi gbasara mkpọnwụ ahụ dị nwayọ, ọnya ụkwụ, priapism, isi ọwụwa, ọdụdọ ma ọ bụ nsogbu ọrịa sickle cell ndị ọzọ).*

**Ndị nwere oke n'ịmepụta IHCP**

Aha Onye ahụ: AKara Mbinye aka: Ụbọchị:

Onye Nlekọta/Onye Nchekwa: Akara Mbinye aka: Ụbọchị:

Onye Nlekọta Ọrịa nke Ụlọ akwụkwọ: Akara Mbinye aka: Ụbọchị:

Onye Nlekọta Ọrịa Ọpụrụiche Sickle Cell: Akara Mbinye aka: Ụbọchị:

Onye Nkuzi: Akara Mbinye aka: Ụbọchị:

**Onye Ọrụ Ụlọ akwụkwọ Nke Nwetagoro Oge Ọzụzụ Sickle Cell:**

Aha: Ụbọchị:

| | |
|---|---|
| | |
| | |
| | |
| | |
| | |
| | |
| | |

**Oghere iji tinye ọmụmaatụ ezigbo omume nke ụlọ akwụkwọ mepụtara:**

**Mmiri**

*Ahapụrụ [Aha] iji mmiri ya banye na ọgbakọ. Ọ na-anọ na ngwụcha ahịrị ka ọ were nwee ike iweta nke a na-emeghị mkpọtụ.*

**Mgbatị ahụ**

*Jiri ụzọ egwuregwu ndị ọzọ iji kwalite nnabata, ọmụmaatụ idobe akara, iji elekere ngụda oge edobe oge.*

**Maka Mmịnye Ọbara Ọrịa Sickle Cell**

*Gị na ụlọ ọgwụ rụkọọ ọrụ iji hazie usoro ịmịnye ọbara kwa mgbe ka [aha] were nwee ike nke ọma na mmalite oge ule.*

**Ozi Ọzọ**

**Nyocha**

**Maka njikọ akaebe nyocha na-akwado mmepụta ozi a, biko gaa na:**
http://www.sicklecelleducation.com

Saịtị a gụnyere akụrụngwa emepụtara izizi maka ndị nkuzi nọ na UK, gụnyere:

*Nwata akwụkwọ m nwere Ọrịa Sickle Cell* [Mpempe Akwụkwọ]
*Enyi m nwere ọrịa Sickle Cell* [Mpempe Akwụkwọ]
*Ihe ị ga-eme ma ọ bụrụ na ị na-enyo na nwata akwụkwọ gị na-enwe Ọdụdọ Sickle Cell* [Akwụkwọ Mbisa Ịma Ọkwa]
*Sickle Cell na MKpọnwụ Ahụ* [Mpempe Akwụkwọ]

**Ndị Otu Mwepụta Onwe Maka SICKLE CELL**

**OTU Nyocha Ịnye Akara Sickle Cell**
http://www.score-international.org/

**Otu Sickle Cell Uk**
http://www.sicklecellsociety.org

**Ndị Na-eto Eto Meriri Mkpọnwụ Ahụ Sickle Cell (Cardan, Naijirịa)**
http://www.scyss.org

**Otu Sickle Cell, Naijirịa**
**http://www.sicklecellfoundation.com/**

**AKỤRỤNGWA NDỊ ỌZỌ**

**Ọrụ Ahụike Sickle Cell Mba UK yana Mmemme Nyocha Thalassaemia**
http://www.sct.screening.nhs.uk
Maka nnomi nbudata nke Ntuziaka Nne na Nna maka Nlekọta na Njikwa nke Nwa Gị Nwera Ọrịa Sickle Cell

**Akụrụngwa Mmụta Emeghere maka Sickle Cell na Thalassaemia SCOOTER**
http://www.sicklecellanaemia.org/
Maka onyogho sickle cell efu yana akụrụngwa mmụta ndị ọzọ emeghere

Mpempe akwụkwọ nnomi enwere ike ibutu dị na:

www.sicklecelleducation.com
www.sicklecellanaemia.org
www.score-international.org

Emepụtara mpempe akwụkwọ a mbụ na 2011 na ndabere nke nyocha nke United Kingdom Economic and Social Research Council kwụrụ ụgwọ ya(RES-000-23-1486) ego mgbazinye nyocha Simon Dyson, Lorraine Culley na Sue Dyson ji (Mahadum De Montfort); Karl Atkin (Mahadum nke York) na Jack Demaine (Mahadum Loughborough) mere.

E·S·R·C ECONOMIC & SOCIAL RESEARCH COUNCIL

Ụdị 1.1_Izugbe Naijirịa Ụbọchị: 25th Septemba 2012